# EZIPỤRỤ NDỊOZI IRINABỤỌ AHỤ

**Matiu 10:1-42**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 81 - Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na yoke nkem adigh-egbu ngbu, ibum di kwa nfè" (Matiu 11:30).**

## Site ná Ndị náesoụzọ Ghọọ Ndịozi

Ná mmalite ijéozi nke Jisọs Ọ rọpụtara ndịkom irinaabụọ ịbụ ndị náesoụzọ Ya maọbụ ndị náeso Ya. Ha arapụwo ụlọ ha na ọlụ ha isoro Jisọs. Ha na Ya norịị mgbe Ọ kụziri Okwu Chineke n'elu Ugwu. Ha na Ya nọ n'elu Ókéosimiri nke Galili mgbe ebilimmiri ahụ deere duu site n'okwu nke Jisọs. Ha ahụ́wo Ya ka Ọ lụrụ ọtụtụ ọlụebube -- agwọrọ onye ahụ nwere mmụọ náadịghị ọcha, nwanyị ahụ metụrụ ọnụuwe Ya aka ka emere ka ọ dị ọcha, emere ada Jeairọs ka o si n'ọnwụ bilie, na ọtụtụ ọlụ ebube ọzọ dị icheiche.

Ndịkom ndịa nwere ọlụ dị icheiche ha naalụ - ndị náegbu azụ̀, ndị ọnaụtụ, ndị náesoụzọ Jọn Onyeọwụmmiri -- ma ha niile natara otù ọ̀zụ̀zụ̀ ahụ nime Jisọs. Ugbu a ha gaabụ Ndịozi, nke pụtara "ndị ezipụrụ." Ezipụrụ ha dịka ezi ndịàmà ikwusa na izi ihe banyere Jisọs Kraist. Onye na agbaàmà bụ onye náekwu ihe ọ hụworo na ihe ọ matara site ná mnwapụta nke ya, ọ bụghị site n'ihe ndịọzọ gwara ya. Ọbụná mgbe emesịrị mgbe ha naarọrọ Onyeozi ịnọchi ọnọdụ Judas, ha chọrọ onye soro ha jee "n'oge nile Onye-nwe-ayị Jisus bàra nime pu kwa n'ezi n'etiti ayi, nāmalite na baptisim nke Jọn, rue ubọchi anapuru Ya n'ebe ayi nọ rigo n'elu-igwe" (Ọlu Ndi-ozi 1:21-22).

Jisọs zipụrụ ndịkom ahụ tozuru òkè ịbụ Ndịozi Ya. O zipụrụ ndị ahụ nwere ohere Ya na ha ịnọkọ, ndị mụtaworo ihe n'aka Ya, wee nwe ezi mnwapụta n'ebe Ọ nọ. N'ụbọchị taa Chineke adịghị ezipụ onye ọ bụla Ọ hụrụ ikwusa Oziọma ahụ, Ọ chọrọ ndị nwapụtaworo ike Ya ikwu ihe banyere Ya.

Ọ karịrị nnọọ ịnaele Kraist anya mgbe Ọ na alụọlụ ebube dị icheiche, n'ihi na O nyekwara ha mkwuwa okwu na ike ịchụpụ mmụọ náadịghị ọcha na kwa ịgwọ ọrịa na nrịarịa niile dị icheiche. Ọ bụ otù ihe ike mgbanwe nke dị ná ndụ onye ghọworo Onye Kraist, ịnụ ka ọ naagbaàmà, na ịhụ́ ka ọ naalụrụ Onyenweanyị ọlụ, ma ọ bụ kwa ihe ọzọ dị iche inwe mnwapụta ike nke Chineke ahụ nime anyị.

Ndịkom ahụ malitere site n'ịbụ ndị náesoụzọ Jisọs, emesịa Ọ kpọọ ha ịbụ ndị mkwusa. Mgbe anyị malitere njèm anyị dịka ndị Kraist, anyị adịghị amata, ihe Chineke kwadobeere anyị, maọbụ ọnọdụ nke Ọ gaakpọ anyị ịnọchi. Nááńị na anyị gaerubeisi, ka anyị wee nwee ihe ịgbaàmà dịka nke Pọl -- "Abughm onye nādigh ekwenye ọhù ahụ nke elu-igwe" (maọbụ) "Enupughm isi n'ọhù nke elu-igwe."

## Ndụmọdụ Dị Icheiche

Dịka Jisọs zipụrụ Ndịozi a ịgbasa Oziọma ahụ, O nyere ha ndụmọdụ doroanya banyere ebe na ihe na otú agaesi kwusaa. Tinyekwara iwu niile a, O nyere mkwà dị icheiche, ịdọakanánṭị, na agbamume.

N'oge a ha gaekwusara nááńị ndị Ju, ndị O ji tụnyere atụrụ furuefu, nọ n'agụụ na n'ọnụ ọnwụ; n'ihi na Israel nọ naenweghị onye ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ. Emesịa agwara Ndịozi ahụ ka ha kwụaara Ndị Mbaọzọ. Jisọs sịrị na mgbe Ụbọchị Pentikọst gasịrị na ha ga ekwusa nime Sameria rue kwa ebe niile ụwa sọtụrụ.

Ozi ha gaabụ: "Ala-eze elu-igwe di nso." Nke ahụ bụ kwa otù ozi ahụ Jọn Onyeọwụmmiri kwusara, ọ bụ kwa otù ozi ahụ ka ndị Ụkọchukwu anyị naekwusa n'ụbọchị taa.

Ha gaekwusa ma gwọọ ndị ọrịa náanaghị ego dịka, Kraist mere. Ọ sịrị, "Ọ di ngọzi inye ihe kari ināra ihe" (Ọlu Ndi-ozi 20:35). Onyenweanyị gwara Ndịozi Ya ka ha ghara iwere ego maọbụ ákwà mgbanwe, n'ihi na Ọ matara na ihe ndịa nke naadị nwaoge gaaghọ ibuarọ̀ maọbụ ihemgbochi. N'ụbọchị taa ụfọdụ mmadụ naewere ego na iheonwunwe ha dịka ihe dị mkpà karịa nke mere na Jisọs na ọlụ Ya naabụ ihe nke abụọ ná ndụ ha karịa inwe ọnọdụ mbụ.

Jisọs gwara ndị ahụ náesoụzọ Ya ka ha nọdụ n'ụlọ ndị ahụ nábatara ha. Ọ bụrụ na anabataghi ha, ha gaaga n'ebe achọrọ ha. Lee otú o si bụrụ ihe jọgburu onweya ịjụ Oziọma ahụ na igbochi ịgbasa ya! Eleghịanya ndị ahụ náanabataghị ha enweghị ohere ọzọ. Agwara Ndịozi ahụ ka ha tichapụ ọbụná ájà ụkwụ ha mgbe ana anabataghị ha n'ụlọ maọbụ nime obodo. Ha agaghị abara ha mba, maọbụ rịọ ha arịrịọ, maọbụ soro ha rụrịta ụkà. OnyeKraist adịghị enwe "nkwụghachi" maọbụ mmụọ nke mmegwara. Ná Ndị Rom 13:19 anyị naagụ sị, "Mu nwe ọ́bọ̀; Mu onwem gēnyeghachi, ka Onye-nwe-ayi kwuru."

## Mkpagbu Dị Icheiche

Mgbe Jisọs zipụrụ ha Ọ gwara ha na ndị mmegide gaadị. Dịka akpagburu Jisọs otú ahụ ka agaeme ndị náesoụzọ Ya -- dịka atụrụ n'etiti agụ. Agụ bụ onyeiro nke atụrụ. Ọ bụrụ na ha nwee ohere, ha gaegbu ma rie kwa atụrụ ahụ. Ndị nke Chineke naenwerị, ma naenwe kwa, ndịiro pụrụ ibibi ha kpamkpam ma ọ bụrụ na ha enwee ohere. Chineke adọwo ndị Ya akanánṭị ka ha wee nọọ ná njikere ghara inye onyeiro ahụ ohere imerụ ha arụ.

N'ihi nke ahụ agwara Ndịozi ahụ ka ha "nwere uche dika agwọ, ndi nādigh kwa aghughọ dika nduru." N'Ogige Iden, Ekwensu rọọrọ isite n'agwọ lụọọlụ n'ihi na ọ dị aghụghọ karị, mara kwa ihe. Anaegosi onyinyo nduru mgbe niile ịnọchita anya udo, ịdịọcha, ịhụn'anya, maọbụ imeru ihe n'ókè. Nduru adịghị emerụ mmadụ maọbụ ihe ọ bụla

arụ, ọ pụghị ọbụná ichebe onweya. N'iheatụ niile ọzọ, kwa, eji OnyeKraist atụnyere nduru. Dịka nduru wetaara Noa oziọma na mmiri atasiwo n'ala, otú a ka OnyeKraist naeweta ozi ọñụ nke Oziọma ahụ. Abù nke Abù maọbụ Abù nke Solomon jiri nduru náakọwa Nzukọ ahụ nke náeleanya mbịaghachi nke Kraist. Achọpụtawo na nduru naechefu mmerụarụ maọbụ arụ ụfụ ngwangwa. OnyeKraist naahụ ndịiro ya n'anya, náemere ha iheọma bụ́ ndị náakpọ ya asị, ma náekpekwara ndị náesogbu ya ekpere (Matiu 5:44). Ntozuòkè niile ndịa -- adịghị aghụghọ nke nduru na amamihe na ime ngwangwa nke agwọ -- jikọtara ọnụ imejupụta omume nke OnyeKraist. Nke a bụ njikọta ọnụ nke Onyenweanyị chọrọ n'aka Ndịozi Ya. OnyeKraist gaabụ onye náekwuwa okwu wee guzoro n'ọnọdụ ya megide ekwensu na mmehie, ma mee kwa ya n'ụzọ udo. Ọ gaghị ekwenyere ndị mmehie kama ọ gaekwupụta eziokwu ahụ. Jisọs sịrị, "Ezi-okwu ahu gēme kwa ka unu pua n'orù."

Jisọs dọrọ Ndịozi ahụ akanántị na ndị mmadụ gaakpọ ha asị wee rara ha nye n'iru ndị ọchị ịnụ olu ha n'ihi na ha bụ NdịKraist. Ma Ọ sịrị ha na Mmụọ nke Chineke gaagwa ha ihe ha gaaza.

**Nchébe**

Okwu ịdọakanántị ndịa gaetinyeworị egwù n'obi ndị ụfọdụ, ma Jisọs matara oge niile kwesịrị inye agbamume. Ọ gwara ha banyere nlekọta na nchébe nke Chineke. Dịka anyị naagụ okwu ebube nke agbamume ndịa, ọ naechetara anyị na ha adịrịghị náání Ndịozi kama nye kwa ndị niile náeso Kraist. Dịka Chineke matara ihe niile banyere Ndịozi ahụ otú ahụ ka Ọ matakwara banyere anyị. Ọbụná agịrịisi anyị ka agụworo ọnụ. Anyị dị óké ọnụahịa karịa egwele, nke agụrụ n'iheefu, ihe dị ọnụala na ihe nwere ịdị mma ntà. Ma chee échìchè otú Chineke si náeyikwasị ha uwe, náenye ha nri, náechebe ha, nye kwa ha abụ̀, ma rịba kwa ọdịda ha ámá. Chineke gaemere anyị karịa.

**Ikwupụta Kraist**

Ikwupụta Kraist n'iru ọra bụ ezi ụzọ inweta nchebe nke Chineke, nke imemmụọ na nke anụarụ. Ọ dị óké mkpà na agaghị eleghara maọbụ lefuru ya anya. Ọ bụ nke a -- ikwupụta Kraist ahụ n'iru mmadụ -- bụ ihe gaekpebi ma Kraist Ọ matara anyị. Ọ dị ọtụtụ ụzọ iji kwupụta Kraist: otù bụ ịgbaàmà n'iru ọra, ma ọ bụghị náání nke ahụ. Ụfọdụ pụrụ ikwu okwu maramma ma ndụ ha kwa ụbọchị naemegide okwu niile ahụ. N'otù aka ahụ, ịgọnarị karịrị mmadụ ịsị na ya ekwenyeghị na maọbụ ikwugide Kraist n'iru ọra. Igbochi Jisọs inwere ọnọdụ nime obi mmadụ, izonarị Chineke ihe ọ bụla, ịjụ Ya na ọlụ Ya niile -- ihe niile ndịa bụ ịgọnarị. Mmadụ apụghị ịbụ OnyeKraist na nzuzo ma ọ dịghị onye ọ bụla nke gaamara ya. Na Matiu isi nke asaa agwara anyị sị, "ezi osisi apugh imi ajọ nkpuru, osisi nābagh n'ihe apugh kwa imi nkpuru ọma. Ya mere unu gēsite ná nkpuru ha mazu ha."

**Onyeiro Nke Mmadụ**

Jisọs gwara ha na OnyeKraist gaenwe nsogbu eleghịanya site n'èzínaụlọ ya. Ndị azọpụtara n'èzínaụlọ naebi ndụ dị iche n'ebe ndị anaazọpụtabeghị n'èzínaụlọ ahụ nọ. Nnenanna náenweghị nzọpụta gaesogbu nwa náatụ egwù Chineke, oge ụfọdụ ọ bụ nwa náenweghị nzọpụta gaesogbu nnenanna náatụ egwù Chineke. Ọ bụghị kwa otù mmasị ahụ maọbụ ịkparịta nso ọzọ dịka na mbụ. "N'ihi na ole nkekọ ezi omume na imebi-iwu nēkekọ? ma-ọbu òle nnwekọ ìhè na ọchịchịrị nēnwekọ?" (2 Ndi Kọrint 6:14).

N'oge ahụ kwa anyị naahụ́ èzínaụlọ anyị n'anya nke ukwuu. Ma Akwụkwọnsọ naagwa anyị na Chineke gaewere ọnọdụ mbụ nime obi anyị niile. Ya mere agaenwe nrọrọ -- ịhụ́ Chineke n'anya karị maọbụ ịhụ́ èzínaụlọ anyị maọbụ otù onye nime ya n'anya karịa Chineke. Ma ọ bụrụ na anyị gaabụ ndị náeso Kraist, ọ ghaghị ịbụ ma bụrụ kwa onye mbụ. "Ònye gēkewapu ayi n'ihu-n'anya nke Kraist?" (Ndi Rom 8:35).

Mmadụ ibuli obe ya karịrị ịnagide ọnwụnwa dị icheiche n'ihi Oziọma. Ọ bụ inwe mmasị mmadụ inye oge na ọlụ ya n'ihi Kraist. Dịka ụwa na ahụ́ ya, mmadụ etufuwo ndụ ya mgbe o nyere ya n'ihụn'anya ijere Chineke ozi, maọbụ ndụ ebighịebi n'ezie ka o riteworo n'urù. Mmadụ ekwesịghị ịnata ngọzi niile na ohere niile nke ịhụn'anya Chineke ma ọ bụghị na o nyere Ya ndụ ya.

OnyeKraist adịghị ebuli náání obe ya kama ọ naeso kwa Jisọs. Ekpere ya maọbụ iji obichụaàjà ya bụ:"Ime ihe Ọ chọrọ ka m'mee, ịbụ ihe Ọ chọrọ ka m'burụ, ijé ebe Ọ chorọ ka m'jee, na ikwu ihe Ọ chọrọ ka m'kwue." Mmadụ pụrụ, dịka Pita ịrapụ ihe niile soro Jisọs, ma ule agaele anyị bụ ma anyị nọgidere n'eziokwu wee soro rue n'ọgwụgwụ. Jisọs sịrị, "Ma onye were ntachi-obi nọgide rue ọgwugwu ihe nile, onye ahu ka agāzọputa" (Matiu 10:22).

**Ụgwọọlụ Dị Icheiche**

Ma dịka ekwere mkwà ụgwọọlụ dị icheiche nye Ndịozi ahụ kwesịrị ntụkwasịobi, otù aka ahụ ka agaakwụ anyị ụgwọọlụ n'ihi ọlụ nke alụrụ nye Chineke. Nime ndụ nke a anyị naachọta óké obiụtọ na ojujuafọ n'ọlụ Onyenweanyị, ma ọ bụghị náání nke a. N'Eluigwe agaenye ụgwọọlụ -- ọ bụghị n'óké ọlụ kama nye ọlụ alụrụ n'ikwesị ntụkwasịobi. Ndịozi ahụ fèrè Chineke òfùfè n'ihi otù ihe ahụ anyị ji náefè òfùfè n'ụbọchị taa. Anyị chọrọ ifè Chineke òfùfè n'ihi ịhụn'anya anyị nye Ya, ọ bụghị n'ihi otuto mmadụ maọbụ nnyeghachi nke ụgwọọlụ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye zipụrụ Ndịozi ahụ?
2. Gịnị mere O ji nye ha ike?
3. Òlee ndị ezigaara ha?
4. Gịnị ka ha naekwusa?
5. Gịnị mere anyị gaeji kwupụta Kraist n’iru ọra?
6. Gụọ aha niile nke Ndịozi irinaabụọ ahụ n’isi.